# ỤMỤNNE JOSEF GARA IJIPT

## Jenesis 42:1-38; 43:1-14

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 37 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nime nka k m'nārughari kwa arum uka inwe akọ-na-uche nādigh-asu ngọngọ n'ebe Chineke na madu nọ mgbe ọ bula" (Ọlu Ndi-ozi 24:16).**

**I Ụkọ́nri ahụ na Kenean Na Njèm Mbụ ahụ rue Ijipt**

1. Ụmụ Jekob emeghị ngwa ijé ịzụta nri n'Ijipt, Jenesis 42:1, 2
2. Ụmụ iri ahụ nke Jekob mesịrị gaa Ijipt ịzụta nri, Jenesis 42:3-5; Ọlu Ndi-ozi 7:9-15

**II Nzute Ha na Josef**

3. Mmadụ iri ahụ guzoro n'iru Josef, onye ha náamataghị kwa, Jenesis 42:6
4. Akụkụ ụfọdụ nime nrọ̀ nke Josef mgbe ọ bụ nwata mezuru, Jenesis 42:6-9; 37:7, 8
5. Ha kọwara ihe mere ha ji bịa Ijipt, Jenesis 42:10-13
6. Josef zaghachiri, náebo ha ebubo na ha bụ ndịnledo, eleghịanya ịgan'iru ime ka ha ghara ịmata onye ọ bụ, Jenesis 42:14-21
7. Akọnauche ha naama ha ikpé n'ihi iheọjọọ ha mere megide Josef ihe karịrị iriarọ abụọ garaaga, Jenesis 42:21-24; Ndi Rom 2:14, 15; Eklisiastis 11:9

**III Nlaghachi na Kenean**

8. Ụmụnne iteghete ahụ buuru nri enyere ha laghachi Kenean, rapụ Simeon dịka onyemkpọrọ n'Ijipt, Jenesis 42:19, 20, 26; Ilu 19:5
9. Mgbe ọ naewere nri na akpà ya, otù onye nime ha hụrụ ego o ji kwụọ ụgwọ nime akpà ya, Jenesis 42:27, 28
10. Ụmụnne ndịa nke akọnauche ha naama ikpé kọọrọ nna ha otú ijè ha siri dị, Jenesis 42:29-35
11. Jekob soro ha kwueokwu megide ọnọdụ ahụ nke Josef debere ha n'ebe ahụ, Jenesis 42:36-38; 43:1-7
12. Juda kwere mkwà nlata n'udo nke Benjamin, Jenesis 43:8-10
13. Jekob mesịrị kwenye n'ọnọdụ ahụ niile, ka ha wee nweeike zụta nri ọzọ, Jenesis 43:11-14

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ụnwụ ahụ nke dakwasịrị ala Ijipt akwụsịghị náání n'obodo ahụ, n'ihi na anyị naachọpụta na mkpatụ ya ruru Kenean, ebe Jekob na ụmụ ya bi. Ịmata na apụrụ inweta nri n'ala ahụ nke dị n'ofe Osimiri Uhie dị ka ihe amara nkeọma na Kenean, ma eleghịanya ụmụ Jekob gosịrị ịjụoyi n'omume ha banyere nke a, ha agbaghị kwa mbọ ịga n'ebe ahụ ịzụta nri wee mee ka ụlọnri ha jupụta ná nri. Nna ha chètaara ha banyere enweghị mmetụta ha, náajụ ha ihe mere ha ji nọdụ na Kenean, náelerịta onwe ha anya.

Eleghịanya ọ dị ihe mere ka ụmụ ndịkom nke Jekob ghara ime ngwa ijé obodo ahụ dị anya. Njèm ahụ gaesi ike, nke a bụ eziokwu; ma ndịkom ndịa bụ ndị ndụ ngagharị maraworo arụ site n'ịzụ̀ atụrụ nke naegosi na ha ekwesịghị ịla àzụ̀ n'ihi nsogbu niile nke ịgbaokporo, ọ bụ ezie na ha siri nnọọ ike nye ọbụná mmadụ ndị bi n'ụwa n'ụbọchị taa.

Ọtụtụ arọ garaaga, ha emeworị mmehie megide nwanne ha nwoke nke ntà bụ́ Josef, na nna ha, ncheta ya naachụgharị ha ọsọ; n'ihi na anyị naachọpụta ihe olenaole nke meworo ná ndụ ha ebe ha gosịrị na ha ka naachọsiike ichefu ihe ọjọọ ha mererị iri arọ abụọ garaga, ha apụghị ime otú ahụ.

Mgbe ọ bụla ihe mere ha nke náabụghị dịka àtụ̀mààtụ̀ ha si dị maọbụ n'ụdị nke náewetara ha ahụhụ maọbụ iruọjọọ, ngwangwa ya emetụ ha n'obi na ezitewo ya n'ihi mmehie ha nke nọworo ogologo oge, nke ha náekwupụtabeghị ma chégharịa kwa nime ya. "N'ezie ndi ikpe maworo bayere nwa-nne-ayi ka ayi bu, n'ihi na ayi huru nkpagbu nke nkpuru-obi-ya, mgbe ọ nārịọ ayi aririọ-amara, ma ayi anugh; n'ihi ya ka nkpagbu a biakwasiworo ayi" (Jenesis 42:21).

Otù ihe dị nke Chineke mere banyere oge nke bara urù nke ukwuu; nke a bụ na oge naechipụ ahụhụ na ihemgbu anyị wee kwee ka anyị nwee obiụtọ n'ụbọchị ndụ anyị nke dị n'iru náenweghị irumgbarụ, ma ọ bụghị náání icheta n'oge ụfọdụ ọnọdụ ihemgbu nke gaworoaga. Anyị pụrụ inwe ihemgbu dị ukwuu ma mgbe ọ bụla ọ gabigasịrị ọ gabigawo rue ebighịebi. Ma ọ bụghị otú a ka ọ dị banyere ọñụ maọbụ obiụtọ, n'ihi, mgbe ọ bụla oge obiụtọ ahụ batara n'échìchè anyị, ọ naeme ka ọñụ anyị mgbe ahụ baaụba karịa. Anaenweta n'otù ntabianya mmetụta nke ọnụnụọkụ n'obi ha.

Ma ọ dị otù ihe nke oge náadịghị echipụ, nke ahụ bụ iheodide edeworo banyere mmehie na ajọomume ochie anyị niile. Ndịkom iri ahụ ghọtara ahụhụ ikpé mmehie nke dị nime eziokwu ebighịebi nke a ọtụtụ ugbò nime arọ̀ niile dị n'etiti mmehie ahụ akpachapụrụ anya mee n'oge a, mgbe ha hụrụ onwe ha ka ha naabịaru nso ala Ijipt. Ma

ọ dịghị ezi nchègharị bataworo nime ha rue ugbu a . Ọ bataghị n’uche ha na ha pụrụ izute nwanne ha maọbụ hụ ya n’ebe ahụ --- eleghịanya agụụ dị otú ahụ adịghị nime ha. Ma náání aha obodo ahụ ebe ha refuworo ya dịka orù, kpọghachiri n’uche ha arịrịọ ebere ọmiko na ịrịọsi arịrịọ ike ya mgbe ha naatụba ya nime olùlù wee rụọ ọnụahịa n’isi ya ha na ndịọbịa ahụ dịka ebe mmadụ naarụ̀ ọnụahịa anụmanụ. Náánị otù ihe pụrụ iwepụ iheodide nke mmehie niile anyị: Ọbara nke Jisọs awụsịirị mmadụ niile n’ụwa

Akọnauche nwe ihe niile, ọ bụ kwa ụlọikpé zuruezu, nke nwere onyeikpé, ndị nyochaokwu, ndịàmà, na ọkàikpé. Dịka anyị kwuru, ọ dịghị echéfu ihe --- ọ bụ ezie na ụbụrụisi maọbụ uche nke mmadụ, pụrụ ichéfu ihe. “Onye-ebubo adigh obi ahu nke ikpe maworo mkpà” bụ nnọọ eziokwu n’ezie.

Nwa ikpeazụ̀, Benjamim, ka arapụrụ n’ụlọ. Échèrè na ọ bụ náání ya bụ nwa Rechel onye Jekob hụrụ n’anya nke fọdụrụ ná ndụ, ọ bụ kwa onye nna ya ji ekworo nchébe gbaa ya ogige n’ihi na ọ bụ nwa nke nwunye ya nwụworo anwụ. N’ihi nke a náánị ụmụ ya ndịkom iri bụ ndị gara njèm ahụ, náamaghị na onye nke ha guzoro n’iru ya bụ nwanne ha nwoke, onye ha refuworo n’orù ọtụtụ arọ̀ garaaga. Josef matara ha náetufughị oge, ma o kweghị ka ha mata ya, ọ gwara ha okwu n’olu náadịghị mma, náebo ha ebubo na ha bụ ndị nledo nke bịara ịchọpụta àkụ̀ na ụbà nke ala na ịchọta ụzọ agaesi kwatue obodo ahụ. Ọ gwakwara ha okwu n’oluike iji kpuchie ịhụn’anya ukwu nke nwanne nke o nwere n’ebe ụmụnne ya ndịa nọ, ndị bụ anụarụ na ọbara ya, na iwerute ha n’ọnọdụ nke mmụọ na akọnauche ka ha ghọta ajọomume ukwu ahụ nke ha mere jikere kwa ichègharị nime ya.

Josef jụrụajụjụ banyere ndị fọdụrụ n’èzínaụlọ ahụ na arụike ha, mgbe ọ naenyocha ụmụnne ndịa ịma ma ha bụ ihe ahụ ha gosịrị onwe ha ịbụ́ maọbụ na ha abụghị. Emesịa ọ gwara ha na ọ bụrụ na ha bụ ndị eziokwu na ha agaghị ajụajụ ịkpọta nwanne ha nke ikpeazụ̀ n’ebe ahụ iji wee kwagide okwu niile ha kwuru. O nyere ha iheoriri maka mkpà ha n’oge ahụ, ma jide kwa Simeon dịka onyemkpọrọ rue mgbe ha gaakpọta Benjamin, bụ́ nwanne ya nke ọ tọrọ, onye ọ naagụ ya agụụ ịhụ ọzọ. Simeon bụ onye náesote nwa nke eburu ụzọ mụọ; mgbe Juda tụpụtara erò ka eree Josef nye n’ịbụ orù, Simeon, náesighị agụgọ, bụ́ onye kwuru okwu kpebiri ihe agaeme, ebe nwa nke eburu ụzọ mụọ, bụ́ Ruben ná anọghị ya.

Ọ pụtara ìhè na Chineke duziri Josef idebe Simeon dịka onyemkpọrọ ka o wee malite ịta ahụhụ n’ihi inwe aka nime ajọomume ahụ nke ha mere. Ọ dịghị mgbanarị dịrị ụgwọọlụ nke ajọomume anyị. “Ọlu ọ bula ka Chineke gēme ka ọ ba n’ikpé, ya na ihe ọ bula zoro ezo, ma-ọbu ezi ihe ma-ọbu ihe ọjọ” (Eklisiastis 12:14).

Na njèm ha ịlaghachi ụlọ, mgbe ha kwụsịrị izù ike n’abalị nke mbụ wee meghée otù nime akpà ha iwere iheoriri, ha wee chọpụta na ego ha kwụrụ maka iheoriri ha zụrụ dị n’ọnụ akpà ha. Obi lọrọ ha mmiri nke ukwuu jupụta kwa n’óké nwute nke mere na ha enweghị ike ịhụta mmesoọma ọ bụla nke dị nime omume a. Échìchè ha erughị kwa ọbụná rue ugbu a, na ọnọdụ niile ahụ nke Josef mere ka o rue ha arụ ezughị igosi ya na ha bụ ezi mmadụ náabụghị ndịnledo. Ọ bụrụ na ha bụ ndịnledo, bụrụ kwa na akụkọ ha na ha dị ụmụnne irinaotù si n’otù èzinaụlọ bụ ụgha, ọ bụrị ihe dị mfé ịchọta otù nwa okorọbịa iji gosi dịka nwanne ha. Josef agaghị enwewori ụzọ ọ gaesi mata ụgha nke dị n’okwu ha niile. N’ihi ya nke a abụghị nnyocha zuruòkè. Ma ha apụghị ịhụ ihe ndịa, obi ha gbara nnọọ ọchịchịrị site n’amamikpé n’ihi mmehie nke ha mere.

Nna ha, bụ Jekob, enweghị nnagide n’ebe ha nọ n’ihi na ha gwara onye ahụ nke naachị ala Ijipt na ha nwere nwanne ntakịrị ọzọ, n’ihi ya o kweghị ka ha kpọrọ Benjamin gaghachi Ijipt mgbe ha latara. O were ya anya na ha mee ya, nwa ọ hụrụ n’anya gaefunarị ya nke gaeme ka eweda isi ya n’ílì ná nwute. Emesịa Juda kwere mkwà nke nna ha nabatara, náegosi na ya aghaghị ịhụ́ na nwa ahụ latara n’udo, ma Ruben bụ́ nwa eburu ụzọ mụọ, eburuworị ụzọ rịọ otù arịrịọ ahụ ma nna ha anabataghị ya.

Jekob enwebeghị ụzọ ọ bụla ịmata, rue ugbu a, ihe niile banyere nwa ahụ nke eweere na ọ nwụwo, bụ́ Josef. Eleghịanya ọ gaelebewo ha rịị anya na ha abụghị ndị aka ha dị ọcha dịka ha gosịrị onwe ha na mbụ; ma ịmata n’ozuzuòkè izù ha niile na ọlụ ha n’otù n’otù nime orire nke náenweghị ebere ha rere nwanne ha nwoke, ka ọ naapụghị ịmata n’ihi na ekwupụtasịghị ihe niile ahụ mere.

Ma n’ebe a anyị naahụ ikpè Chineke ahụ nke anaapụghị ịgbanarị ka ọ naalụọlụ. Ọ bụ Simeon ka ọ dịrị ma Ruben anọghị ya ịhụ́ na nwata ahụ nọ n’udo --- ma ọ kwenyere ntụpụta ahụ ndịọzọ wepụtara ka eree Josef nye n’ịbụ orù. Ugbu a ọ naamalite ịta ahụhụ nke ya, dịka anyị hụrụ ya, site n’idebe ya dịka onyemkpọrọ n’Ijipt. Juda bụ onye tụpụtara àtụ̀mààtụ̀ ka eree nwa ahụ, nke mgbe anabatara ya, gbochiri Ruben ịlụọlụ ebere nke ịkpọghchị Josef nye nna ha. Chineke doro ihe niile n’usoro banyere ihe a nke mere na o mere Juda ka ọ dabara ya bụ ibuarọ nke ịhụ́ na Benjamin latara n’udo n’oge a n’ụzọ dị otú a ọ tara ahụhụ n’ihi òkè ya n’orire erere Josef. Ma Ruben onye bụ́ nwa mbụ bụ onye kwesịrị ilekọta Josef ma n’ihi na ọ nọghị ya mere ka aka ya ghara ịdị nime ihe ọjọọ ahụ ha mere, n’ihi ya ọ dịghị ahụhụ ọ bụla ọ natara.

A! lee otú Chineke anyị si dị ebube! “A! omimi nke àkù nke amam-ihe na nke ihe-ọmuma kwa nke Chineke! Le otú anēnwegh ike ichọputa ikpé-Ya nile, otú anēnwegh kwa ike ituputa uzọ-Ya nile! N’ihi na ònye mara uche Onye-nwe-ayi? ma-ọbu ònye putara ibu onye Ya na ya nāgba izù? Ma-ọbu ònye buru uzọ nye Ya, agēnyeghachi kwa ya ọzọ? N’ihi na ihe nile sitere nime Ya, site kwa n’aka-Ya, di-kwa-ra Ya. Ọ bu Ya ka otuto diri rue mgbe ebigh-ebi” (Ndi Rom 11:33-36). Akụkọ dị otú a, lụpụtara n’òzùzùòkè n’usoro, nke onye eziomume natara ụgwọọlụ

ma onye mmehie natara ahụhụ ya, naegosi anyị na ọ dịghị ihe anyị gaatụ egwù ná ndụ̀ nke a maọbụ ná ndụ̀ ọzọ, ma ọ bụrụ na anyị atụkwasị obi anyị na Ya Onye bụ́ otù ihe ụnyahụrụ, taa, ma rue ebighịebi.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị ka apụrụ ịtụle na ọ dị nime ajụjụ nke Jekob jụrụ ụmụ ya: “N’ihi gini ka unu nēlerita onwe-unu anya?”
2. Gịnị mere ụmụ ndịkom iri nke Jekob jiri gaa Ijipt?
3. Gịnị mere o ji bụrụ náání mmadụ iri gara?
4. N’iru ònye ka ha guzoro mgbe ha ruru Ijipt?
5. Òlee ụzọ esi mezue ihe edere na Jenesis 37: 7 nime iheọ̀mụ̀mụ̀ a?
6. Gịnị mere eji debe Simeon n’Ijipt?
7. Gịnị bụ otù ihe nke nyere ha nsogbu mgbe ha kwụsịrị izùike n’abalị mbụ nke ijè ha ịlaghachị ụlọ?
8. Gịnị bụ ọnọdụ agwara ha na aghaghị imezù ka ha nweeike ịzụta nri ọzọ?
9. Jekob ò kwenyere n’ọnọdụ ndịa na mbụ?
10. Gịnị bụ ihe Jekob gbagidere ụkwụ wee kwere?